# JISỌS MERE KA LAZARỌS SI N'ỌNWỤ BILIE

## Jọn 11:1-46

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 145 - Nke NdỊokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Asighm i na, ọ buru na i kwere, i gāhu ebube Chineke?" (Jọn 11:40).**

**I Ọnwụ nke Lazarọs**

1. Mgbe anatasịrị ozi banyere ọrịa nke Lazarọs, Jisọs nọrọ ọtụtụ ụbọchị tutu Ya alaghachị Betani ka O wee lụọọlụ ebube, Jọn 11:1-6, 15
2. Mkwupụta Jisọs na Ya naalaghachị Betani mere ka ndị náesoụzọ Ya chèe uche nke ukwuu banyere ịnọ n'udo Ya, Jọn 11:7-10, 16; 10:31; 8:59
3. Ịnọ n'udo nke Jisọs Onweya bụ ihe enyere mkwagide siriike site n'ike nchebe nke Chineke, ebe ọ bụ na ọlụ Ya ka fọdụrụ, Jọn 11:9, 10; Luk 13:31-33; Jọn 13:30; Abù Ọma 91:11, 12; Matiu 10:29, 30
4. Iji chizie ụkwụ nke ndị náesoụzọ Ya ná nghọtahie ha banyere ọnọdụ Lazarọs, Jisọs gwakwara ha na "Lazarọs nwuru anwu" Jọn 11:11-14

**II Onye Ọgwụgwọ Dị nsọ**

5. Mata bụ onye mbụ zutere Jisọs mgbe Ọ bịaruru Betani, Jọn 11:20
6. Ịgbaàmà nke Mata na Meri bụ otù, "Onye-nwe-ayi, ọ buru na i nọri n'ebe a, nwa-nnem nwoke agagh-anwuwori," Jọn 11:21, 22, 32
7. Mgbe Meri bịara ịhụ́ Jisọs, ọtụtụ ndị ahụ náeruuju sooro ya, náechè na ọ naaga ịkwaákwá n'ílì Lazarọs, Jọn 11:28-33
8. Jisọs chọrọ ịkwalite okwukwe nke Mata na Meri ikwere na Ya dịka **Mbiliten'onwụ** na **Ndụ** ahụ, Jọn 11:23-27, 40; I Ndi Kọrint 15:54-58
9. Ịkwaákwá nke Jisọs gosipụtara ọmiko O nwere, Jọn 11:33-38; Luk 19:41; Ndi Hibru 5:7; Aisaia 53:3
10. O juru ụfọdụ ndị nọ n'akụkụ anya na Jisọs anọghị nso ịgwọ Lazarọs, Jọn 11:37, 4, 15

**III Ike Mbiliten'ọnwụ**

11. Mkwupụta nke Jisọs na Ya bụ **Mbiliten'ọnwụ** na **Ndụ** bụ otù mkwagidesiike kachasị nke Ya Onweya ịbụ Chi, Jọn 11:25, 26; 1:4; 5:26; 2 Timọti 1:10; I Jọn 5:12
12. Jisọs mere ka ịbụ Chi Ya pụta ihè site n'ịkpọpụta Lazaros site n'ili, Jọn 11:38-44
13. Ọtụtụ, mgbe ha hụrụ ihe ịrịbaámá nke mbiliten'ọnwụ Lazarọs, kweere na Jisọs, ebe ndịọzọ gara gwa ndị Farisi ihe niile nke emeworo, Jọn 11:45, 46; 12:9, 17-19; Luk 16:31

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ụbọchị Nsogbu**

Ihe mere n'ọnwụ nke Lazarọs ka náánị otù nime ndị dere Oziọma depụtara, Jọn Onyensọ. Ụfọdụ ụmụ ụlọakwụkwọ nke Baịbụl naechè na ndịọzọ dere akwụkwọ Oziọma akpọghị Lazarọs aha n'ihi na ọ ka dị ndụ mgbe ha dere ya. Ihe ịrịbaàmà nke mbiliten'ọnwụ ya kpaliri óké iwe na ịkpọasị megide Jisọs na Lazarọs, site ná ndị Farisi, ma eleghịanya ndị náesoụzọ Ya achọghị ka ihe banyere Lazarọs bụrụ ihe agbasara nke ukwuu. N'ihi na Lazarọs ghọrọ nnukwu ogidi nke ncheta nye ike nke Chineke, ọ dị ndị Farisi ka ha gbue ya (Gụọ Jọn 12:9-11, 17-19).

Oge nke ọnwụ Lazarọs bụ n'arọ nke ikpeazụ tupu akpọgide Jisọs n'obe. Mkwugide nke Jisọs kwugidere iruabụọ na aghụghọ niile nke dị n'okpukpé ndị Ju na òzízí ha niile naakpalite mmegide n'akụkụ niile. Ọtụtụ ihe ịrịbaámá nke Jisọs naeme naetinye mmanụ n'ọkụ nke iwe na ekworo ha naererị. Arọ ikpeazụ a nke ijéozi Jisọs ka anaakpọkarị arọ nke mmegide, otú a ka ọ dị kwa n'eziokwu. Jisọs hụrụ na ọ dị mkpà ịrapụ akụkụ nke Jerusalem ahụ ka O wee gbanarị mkpagbu. Ọ nọ n'ofè Jọdan, ebe Jọn Onyeọwụmmiri bu ụzọ náawụ mmiri, mgbe Ọ natara ozi na Lazarọs naarịa ọrịa (Jọn 10:40).

Mkwupụta nke Jisọs na Ya chọrọ ịlaghachị Judịa ọzọ wetara ọtụtụ obiabụọ n'etiti ndị náesoụzọ Ya. Ha niile matara ihe banyere mbili iwe nke dị megide Jisọs na ndị náaesoụzọ Ya. Ha jụrụ Ya amamihe dị n'ịlaghachị mgbe ahụ, náechetara Jisọs na mgbe náadịghị anya garaaga na ndị Ju chọrọ ịtụ Ya nkume.

Jisọs chọrọ ụzọ iwepụ egwù nke ndị náesoụzọ Ya naatụ̀ n'ihi ọdịmma nke Ya site n'ichetara ha na ọlụ Ya agwụsịbeghị. Ebe ọ bụ na ihe Ọ naeme agwụsịbeghị, anaakpọdata Nchebe nsọ n'ihi Ya. "Ọ̀ bugh oge hour iri na abua di n'ehihie?" ka Jisọs jụrụ ndị náesoụzọ Ya. Ihe Ọ naekwu bụ nke a: ka ụbọchị ọ bụla naejé ijè ya si na hour rue na hour, site n'àtụ̀màátụ̀ nke Chineke, otú ahụ kwa ka àtụ̀màátụ̀ Chineke gaalụ ọlụ nime ndụ nke Jisọs Kraist -- nke ntà ọ bụla na

akụkụ ntà ọ bụla n'ebe na n'oge nke ya. Ka ụbọchị dị ọjọọ, ọtụtụ ndịiro náanọchibido kwa Jisọs, náagbanyeghị nke a, anaenye Jisọs nchebe site na Chineke ka Ọ lụọọlụ ezitere Ya ịlụ, na izi ozi Ya nke eziomume. Jisọs naekewapụ Onweya ọtụtụ mgbe ka ewee gbochie nsogbu, na ime ka obi ụmụmmadụ dị jụụ otú O nwereike. Ma, náenweghị obiabụọ, aka Chineke naegbochi échìchè igbu mmadụ nke ndịiro nke Kraist ọtụtụ ugbò (Gụọ Matiu 26:55.)

Otù oge na otù ebe ka enyere mmadụ ọ bụla maka nchègharị, Onyenweanyị nyekwara ndị Farisi na ụmụmmadụ niile ahụ ohere ka ha tụgharịa uche n'ọlụ na mkwusa niile nke Kraist, ma ha sitere na Chineke. Tutu rue mgbe oge hour nke mkpebi bịaruru, mgbe ahụ ọlụ nke Kraist agwụsịwo kwa, Jisọs gaenwe ohere ikpughere ha Onweya. Nke a dị ka o meghị ka egwù nke ndị náesoụzọ Ya pụọ, n'ihi na Tomas sịrị, "Ka ayi onwe-ayi je kwa, ka ayi we so Ya nwua."

**Ọ̀zị́zá Náabị aghị Ngwangwa**

Jisọs, mgbe Ọ nụrụ banyere ọrịa Lazarọs, nọdụru ọtụtụ ụbọchị tutu Ya ejerue Betani. Jisọs nọdụrụ nnọọ n'ihi na Ọ chọrọ, ihe Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya kpatara nke a bụ ka ewee mee ka otuto Chineke pụta ìhè mgbe Ọ gara. Jisọs sịrị na Lazarọs na ararụụra, ma ndị náesoụzọ Ya aghọtaghị na Jisọs naekwu banyere ọnwụ dịka ụra (nke pụtara na arụ naararụ ụra ma mkpụrụobi alakuruwo kwa Onyenweanyị). Jisọs doziri nghọtahie ha site n'ịgwawa ha na "Lazarọs nwuru anwu." Ọ dịbeghị ozi Jisọs natara ịgwa Ya banyere ọnwụ Lazarọs, ma Jisọs matara na Lazarọs anwụwo, n'ihi na Ọ bụ Ọkpara Chineke. Ọ mazukwara ihe niile; ọ dịghị ihe ezoro ezo n'ebe Ọ nọ.

Anyị matara site n'ihe edere na Baịbụl na Lazarọs na ụmụnne ya ndịnyom Mata na Meri bụ ndị Jisọs hụrụ n'anya nke ukwuu. Ọ naanọ n'ụlọ ha ọtụtụ mgbe, ọ bụ kwa Meri bụ onye ahụ nọdụrụ ala n'ụkwụ Jisọs ịmụta ihe n'ọnụ Ya. Mmadụ gaechè na ihe banyere enyi dị Ya nso otú a gaadị Ya mkpà ịhụ́ banyere ọdịmma ya, ebe Ọ matara na ọ naarịa ọrịa ịnwụanwụ. Jisọs pụrụrị ikwuokwu, arụ Lazarọs ewee dị ike n'otù ntabianya ahụ náagbanyeghị ịdịanya nke ebe ha nọ (Lee Matiu 8:8).

Ịhụn'anya nke Kraist dị elu karịa ihe nke mmadụ anụarụ ọ bụla pụrụ ichepụta. Jisọs hụrụ Lazarọs n'anya ma chọọ kwa ịhụ́ ya n'ezigbo arụike na n'obiụtọ; ma nke kachasị Jisọs chọrọ ka Lazarọs na ndịọzọ nọ n'ebe ahụ mata eziokwu náadị ebighịebi nke Chineke, ma bụrụ kwa ndị nketa nime ya. Ebe ọ bụla Jisọs nọ, n'ụbọchị niile nke ndụ, Ọ dịghị arapụ iwere ihe nọ gburugburu ebe ahụ tụziere ụmụmmadụ aka nye ndụ ọzọ, ndụ ebighịebi! Ọ rapụghị iwere ihe nke a mere pụtara ìhè gosi ụmụmmadụ onye Ya Onweya bụ, na ihe ozi Ya bụ. Ka eziokwu nke Jisọs naewepụta bụ ihe dị nnọọ iche n'échìchè ọtụtụ mmadụ. Ọ gaewepụta ha n'ụzọ doroanya site n'ụdị nke gaenyere mmadụ aka ịghọta ihe, ihe Ọ naekwu pụtara.

Mgbe ụfọdụ ọ̀zị́zá Chineke nye ekpere anyị naadị iche site n'ihe anyị lere anya ya. Jisọs ajụghị inyere Lazarọs aka, kama O mere ya n'oge nke Ya, ka ewee hụ́ ebube Chineke. Lee kwa ka ebube ahụ nke ekpughere si bụrụ ihe lụpụtara ihe n'ihi na ekwuru na ọtụtụ kweere na Kraist site na mgbe ahụ gaa n'iru

**Okwukwe**

Jisọs agaghị n'ụlọ Lazarọs mgbe O jeruru Betani. Eleghịanya nke a bụ iji gbochie nsogbu dị icheiche náadịghị eweta ọñụ rue mgbe Ọ gaalụzuworị ihe ahụ nke Ọ chọrọ. Mata bụ onye mbụ zutere Jisọs, okwu ya mbụ na nke Meri onye kelere Ya n'ikpeazụ bụ otù: "Onye-nwe-ayi, ọ bụrụ na I nọri n'ebe a, nwa-nnem nwoke agagh-anwuwori." Ọ dịghị ka ọ dị obiabụọ ọ bụla, dị nime Mata maọbụ Meri, na Jisọs gaagwọworị Lazarọs ọ bụrụ na Ọ nọ n'ebe ahụ.

Okwu ọzọ nke Mata gwara Jisọs gosịrị okwukwe o nwere na Ya: "Ma ọbụná ugbu a amataram na, ka ihe I gārịọ n'aka Chineke ra, Chineke gēnye Gi." Okwukwe nke Mata dị ka o torubeghị ogo o kwesịrị, n'ihi na Jisọs gbara okwukwe ya ume site n'ịgwa ya na nwanne ya nwoke gaadị ndụ. Mkwupụta nke Mata na ya matara na nwanne ya nwoke gaadị ndụ n'Ụbọchị Mbiliten'ọnwụ wepụtara n'ọnụ Jisọs otù mkwupụta Ya dịkarịrị mkpà nke anaachọpụta n'Akwụkwọnsọ banyere Onweya. Ịbụ chi nke Ya, na ike nke mbiliten'ọnwụ Ya. "Mu onwem bụ **mbilite-n'ọnwụ** na **ndu**: onye nēkwere na mu, ọbụná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ; ọzọ, onye ọ bula nke nādi ndu, nke nēkwere kwa na Mu, ọ gagh-anwu ma-ọli rue mgbe ebigh-ebi." Mata, náenwebeghị ike ịghọta ihe niile Jisọs ji kwue okwu dị otú a, kweere ihe niile okwukwe ya pụrụ ijide n'ihi na ihe ọ nụrụ juru ya anya. Ọ malitere ịzaghachị Jisọs site n'okwu nke náemetụ n'obi: "E, Onye-nwe-ayi: Mu onwem ekwerewo na Gi onwe-gi bu Kraist-ayi, Ọkpara Chineke." Mkwupụta nke okwukwe kwesịrị isite n'ọnụ onye ọ bụla!

Meri, mgbe ọ bịakutere Jisọs pụrụ náání ịda n'ụkwụ Ya náákwáákwá, náasị kwa: "Onye-nwe-ayi, ọ buru na I nọri n'ebe a, nwa-nnem nwoke agaghi anwuwori." Jisọs, mgbe Ọ hụrụ ịkwáákwá nke Meri na nke ndị Ju soro ya, kwákwara ákwá. Ọtụtụ nchepụta ka ewepụtaworo banyere ákwá nke Jisọs kwara n'ílì nke Lazarọs, na n'iruuju nke Meri. Náenweghị obiabụọ ịkwaákwá nke Jisọs karịrị nnọọ iruuju nke mmadụ mgbe enyi ya nwụrụ ọ karịkwara náání anyammiri nwuta n'ihi Mata na Meri n'ọnwụ nwanne ha. Iruuju nke Jisọs, nke náasụpụta ìhè site n'ala obi nke mkpụrụobi nke Ọkpara Chineke, bụ ịhụn'anya nke Chineke nye ndị Ọ hụrụ n'anya.

**Nkasịobi nke Onye Kraist**

N'ebe a n'akụkụ ílì nke ezi enyi ahụrụ n'anya, Jisọs zutekwara ọzọ onyeiro ahụ nke Ọ bịara imeri ma bibie kwa -- ọnwụ! nke ihe ọgbụgba ya bụ mmehie. Onyensọ na onyemmehie n'otù naanwụọnwụ nke anụarụ n'ihi amamikpé nke Chineke megide mmehie na ọbụbụọnụ abụrụ ụwa. Ọ bụghị ihe dị n'àtụ̀màtụ̀ nke Chineke na mbụ ka ihe O kère èkè náahụjụ anya dị egwù nke ịnwụanwụ. Ọ dịghị mgbe Chineke chọrọ, site ná mmalite, na agaekewa èzínaụlọ ma dọkapụ kwa ndị ahụrụ n'anya site n'ebe ndị enyi ha nọ. Mmehie wetara onyeiro nke mmadụ -- ọnwụ!

Náání Chineke pụrụ ịkasị onye arapụrụ obi mgbe mmadụ nwụrụ. Jisọs, dịka mpụtaìhè nke Chineke, guzoro n'ílì Lazarọs inye ndị náeru uju nkasịobi nke Chineke site n'iweta ndụ site n'ọnwụ. Onye dere Abù Ọma asịwo: "N'anyasi ikwa-ákwá gābia inọ ọnọdụ-abali, ma n'ututu iti-nkpu-ọñu gādi" (Abụ Ọma 30:5). Anyammiri nke ụmụ Chineke pụrụ ịdị na nwamgbe, ma Chineke gaehichapụ ha niile, ha agaghịadị kwa ọzọ (Lee Nkpughe 21:4).

Nkasịobi sitere na Kraist, nke bụ olileanya nke mbiliten'ọnwụ nke ndị nwụrụ nime Kraist, abụrụworị mgbe niile ike nchebe dị ukwuu nye OnyeKraist. Mbiliten'ọnwụ bụ idé (ọkpụkpụazụ) nke Oziọma. Jisọs sịrị ndị naesoụzọ Ya: "Unu onwe-unu gēti nkpu ákwá, kwa kwa ákwá, ma uwa gāñurị ọñu: ọ gēwuta unu onwe-unu, ma nwute-unu gāghọ ọñù .... obi-unu gāñuri kwa ọñu, ọ digh kwa onye ọ bụla gānara unu ọñu-unu" (Jọn 16:20, 22; I Ndi Kọrint 15:13-19).

Lazarọs nwụrụ ka Chineke wee kpọlite ya ka o wee bụrụ iheàmà nye ndị darambà n'obi na ndị nwere obiabụọ n'ebe ike Chineke dị. Ọ̀zízá nke Jisọs nye iruújú nke Mata na Meri bụ ọ̀zízá nye onye ọ bụla nke pụrụ ịnụ ya: "Ọbụná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ." Ọ bụrụworị ihe ekwuru ọtụtụ ugbò na ọnwụ apụghị ịnọgide ebe mmalite nke ndụ bụ́ Jisọs Kraist, nọ. N'iwu nke Jisọs nye Lazarọs ka ọ "puta n'èzi," ọ pụtara n'èzi, dị ndụ nwee kwa arụike.

Akụkọ banyere ọnwụ na mbiliten'ọnwụ nke Lazarọs gbasara ebe niile, ọtụtụ wee kwere na Jisọs n'ihi ya. Lazarọs wee ghọọ iheàmà dị ebube nke ike na amara nke Chineke n'ogologo ndụ ya niile.

Ọ bụ kwa oge ntà gafere mgbe nke a mesịrị tupu Jisọs emee kwa ka ike Ya pụta ìhè ọzọ, gosi kwa n'eziokwu na Ya bụ **Mbiliten'ọnwụ** na **Ndụ** ahụ, site ná mbiliten'ọnwụ nke Ya Onweya. Ndị Farisii chere na site n'ọnwụ Ya na ha ekpuchiwo ọnụ Kraist ebighịebi. Olileanya ahụ anọghị ogologo oge, n'ihi na náání mkpụrụ ụbọchị atọ gafere ílì apụghị kwa ịnagide Onye ahụ nke Náenye Ndụ, O wee wapụta n'ebube Ya niile. Ebe ọtụtụ kweere na Jisọs n'ihi mbiliteọnwụ nke Lazarọs, ọtụtụ ndè anaapụghị ịgụta ọnụ ekwerewo n'ihi mbiliten'ọnwụ nke Kraist.

Ọtụtụ ndè mmadụ anwụwo ọnwụ NdịKraist, mee kwa otú ahụ n'afoofufo náenwe ntụkwasịobi niile na Onye ahụ nke mere ka Kraist si ná ndị nwụrụ anwụ bilie gaeme kwa ka ha onweha bilie, mee kwa ka ndị niile gaakpọ aha Ya si n'ọnwụ bilie (2 Ndi Kọrint 4:14).

**"Ọ na-adị ndụ, Kraist Jisọs dị ndụ taa!**

**Ọ nēsom jee nāgwam okwu n'uzọ ijè nke ndụ.**

**Ọ na-adị ndụ, Ọ nēnye nzọpụta!**

**I nājụm otú m'si mata nka?**

**Ọ nēbi nime obim."**

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere Jisọs ji mee ka nlaghachị Ya na Betani nọọ ọdụ?
2. Gịnị mere ndị náesoụzọ Ya achọghị ka O jee?
3. Ọ̀lee okwu ịgbaume Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya banyere ịnọ n'udo nke Ya?
4. Ọ̀lee okwu ịgbaume Jisọs gwara Mata na ihe gaaga nkeọma banyere nwanne ya nwoke?
5. Gịnị mere Jisọs ji kwaa ákwá n'ílì Lazarọs?